# ỌGHAMKPỤRỤ NA MKPỤRỤ AHỤ
## Matiu 13:1-23
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 75 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ọ gādi kwa ka osisi akuworo n'akuku iyi juputara na miri, nke nāmi nkpuru ya na mgbe-ya, ọzọ, akwukwọ-ya adigh-akpọnwu; ihe ọ bula kwa nke ọ nēme, ọ nēme ka ọ ga nke-ọma" (Abù Ọma 1:3).**

**I Ọghamkpụrụ, Mkpụrụ Ahụ, Na Ala Ahụ**
1. Ọ nọdụrụ n'ụgbọ ahụ ka igwè mmadụ niile wee hụ́ Ya ma nụrụ kwa ozi Ya, Matiu 13:1, 2
2. Ọghamkpụrụ ahụ -- Onyenweanyị Jisọs, Onye Mkwusa nke Okwu ahụ, Matiu 13:3; Mak 4:14
3. Mkpụrụ ahụ -- Okwu dị ndụ nke Chineke nke náadịgide kwa, Matiu 13:4; Luk 8:11; I Pita 1:23
4. Ala ahụ -- Ndị mmadụ ndị anaagwa Okwu ahụ, Matiu 13:9

**II Ụdị Ala Anọ Dị Icheiche**
5. Mkpụrụ ahụ nke dara n'akụ̀kụ̀ ụzọ -- ndị náanụ ma ha adịghị anụta, Matiu 13:4; 13:19; Luk 8:12
6. Mkpụrụ ahụ nke dara n'ebe nkume -- ndị náanụ ma ha adịghị eguzosiike, Matiu 13:5, 6; 13:20, 21
7. Mkpụrụ ahụ nke dara n'etiti ogwu -- ndị náanụ ma nchègbu na nsogbu nke oge a naakpagbu ha, Matiu 13:7; 13:22; Mak 4:18, 19; Luk 10:40, 41
8. Mkpụrụ ahụ nke dara n'ala dị mma -- ndị nke kwesịrịekwesị na ndị náeme ihe ha nụrụ, Matiu 13:8; 13:23; Luk 8:15

**III Ndụmọdụ Nke Dịrị Ndị Náadịghị Elezianya N'Okwu Chineke**
9. Ajụjụ nke ndị náesoụzọ Ya jụrụ: "N'ihi gini ka I nāgwa ha okwu n'ilu?" Matiu 13:10
10. Ilu dị icheiche dịrị ndị náamaghị ọtụtụ ihe omimi nke Alaeze, Matiu 13:11
11. "Onye ọ bula nke nēnwegh, ọbuná ihe o nwere ka agānapu ya," Matiu 13:12; Luk 8:18
12. Ìsì na anụghị ihe nke imemmụọ nke ndị ahụ náadịghị ahụ́ụzọ na ndị náadịghị anụ ihe, Matiu 13:13; Jọn 1:9; 3:19

**IV Amụma Nke Aisaia Mezuru Ọzọ**
13. Ozi nke Onyenweanyị nke dịrị Israel n'oge ochie n'ọ̀hụ́hụ́ ha agaghị ahụta, n'ọnụnụ kwa ha agaghị anụta, Matiu 13:14; Aisaia 6:9
14. Ntịochichi na ìsì, ka ha ghara ịnụ na ịhụ́ụzọ, ghara kwa ichigharị, Matiu 13:15; Aisaia 6:10
15. Ngọzi náadịrị ndị náahụ́ na ndị náanụ́ ọtụtụ ihe ahụ nke ndịamụma chọrọrị ịhụ̀, Matiu 13:16, 17; I Pita 1:10-12

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ọtụtụ Ilu Nke Jisọs**

Ọtụtụ nime òzízí niile nke Jisọs naabụ̀ n'ilu, n'ụzọ ịdọakanántị dịka eburu ya n'amụma na mgbe ochie, "Okwu nile ndia ka Jisọs gwara igwè madụ nile n'ilu; ma O jighị ilu Ọ dịghị agwa ha okwu ọ bụla: ka okwuekwuru site n'ọnụ onye amụma we mezu, sị, "M'gāsaghe ọnum n'itu ilu; M'gēkwuwa ihe ezoworo ezo site na ntọ-ala uwa" (Matiu 13:34, 35; Abù Ọma 78:2). Jisọs, Onyeòzízí kasị ndị òzízí niile, mere nke a ka o wee baara mmadụ urù. Akọwara ilu dịka "iji ihe tunyere ihe." Ilu niile nke Jisọs bụ iji ihe anaahụ́anya nke mmadụ marakwara tụnyere ihe nke mmụọ nke ha náamataghị nkeọma, ka ewee mee ka ha bụrụ ndị gaabịaru n'ezi nghọta dị omimi nke ọtụtụ ihe ahụ "Chineke doziri ndi huru Ya n'anya." Akwụkwọnsọ naeme kwa ka anyị mara na ọ dị ihe ntụnyere nke dị kwa ịtụn'anya n'etiti ihe anaahụ́anya na ihe nke mmụọ. Ya mere, ilu abụghị iheọjọọ; ọ bụ ihe eji achọ iji kpughe ihe, ọ bụghị iji ya kpuchie eziokwu. Ọ bụ ekwensu naeme ka eziokwu bụrụ ihe ekpuchiri ekpuchi; ma Jisọs bịara ikpughe ya, anyị matakwara na ilu ahụ niile naeme ka ha dị mfé. Ọ dịghị mgbe ọ bụla O ji asụsụ nke ndị náamụ óké iheọ̀mụ̀mụ̀ banyere Chineke. Ya mere nnukwu Onyeòzízí a chọrọ ime ka eziokwu a pụta ìhè n'ụzọ nke ọ gaekwe uche nke mmadụ ịghọta. "Óké igwè madu ahu we were obi utọ nuru Okwu-Ya."

**Ìsì Nke Mmụọ**

Ma ọ dị ihe ọzọ dị n'okwu a bú ịghọta ihe nke mmụọ. Mgbe ndị náesoụzọ Jisọs jụrụ Ya ihe mere Ọ naagwa ndị ahụ okwu n'ilu, Ọ zara sị "Ọ bu unu ka enyeworo imara ihe-omimi ala-eze elu-igwe, ma enyegh ndi ahu" (Matiu 13:11). Jisọs gakwara n'iru wee kọwaa na o nwere ndị náadịghị anụ wee ghọta kwa ihe nke mmụọ ọsọsọ. Ndị dị otú ahụ nọ n'oge Aisaia; ha nọkwara n'oge nke Jisọs, ha nọ kwa n'oge nke anyị. Ya mere, ọtụtụ mgbe ka

Onyenweanyị na ekwuokwu nke ịdọakanántị ahụ, “Onye nwere nti, ya nu.” Ọ bụ ihe dị mfé mmadụ ịbụ onye nwere ezi uche ma bụrụ kwa onye náadịghị aghọta ihe nke mmụọ ọsọsọ. Ndị odeakwụkwọ na ndị Farisii nke ụbọchị nke Jisọs bụ̀ iheàtụ̀ pụtara ìhè nke ụdị ahụ. Jisọs chọrọ ịkụnye eziokwu a n’obi, nke ma ọ bụghị otú a ọ dịghị ihe gaadị ka mmadụ ịghọta ihe nke Mmụọ. “Madu nke nkpuru-obi onwe-ya na-achi adigh anata ihe nke Mọ nke Chineke; n’ihi na ha bu ihe nzuzu n’anya-ya; ọ pugh kwa imara ha, n’ihi na ewere Mọ Nsọ sikwuputa ha” (I Ndi Kọrint 2:14). “Asi kwa na ekpudoworo ozi-ọma ayi ihe, ọ bụ n’etiti ndi nāla n’iyi ka ekpudoworo ya: ndi chi nke oge a mere ka anya nke uche nke ndi nēkwegh ekwe kpu ìsì n’etiti ha, ka inye ìhè nke Ozi-ọma nke ebube Kraist, Onye bú onyinyo Chineke, we ghara iwakwasi ha” (2 Ndi Kọrint 4:3, 4). Ọ gaghị abụ̀ kwa ihe ịtụ̀n’anya nye anyị, na ọtụtụ mmadụ dị ndị nwere anya iji wee hụ́ ụzọ ma ha adịghị ahụ̀ ụzọ; na ntị iji wee nụ ihe ma ha adịghị anụ ihe. Ebe nsogbu ahụ sitere bụ nime obi, ọ bụghị n’uche.

**Ilu Nke Ọghamkpụrụ**

Ọghamkpụrụ n’ilu a bụ Onyenweanyị Jisọs Kraist. “Onye nāgha nkpuru ọma ahu bu Nwa nke madu” (Matiu 13:37). “Nkpuru Ọma” ahụ bụ Okwu Chineke (Luk 8:11), nke Jisọs naakụ n’oge a Ọ nọdụrụ ala n’ụgbọ wee náezi igwè mmadụ guzoro n’iru Ya ihe. Ala ahụ kwa nke Mkpụrụ ahụ dara n’elu ya bụ ndị náegentị n’okwu Ya. Ya mere, ndị niile náegentị n’okwu Ya nwere ihe ịma atụ̀ dị icheiche n’ebe ha nọ banyere ilu ahụ nke Jisọs na akụziri ha. Ma ọ bụghị náánị ndị ahụ guzoro n’iru Ya ka nkọwa ilu ahụ dịrị. Ilu ahụ nwekwara amụma nke dị nime ya n’ihi na o kwuru banyere ụdị nnabata nke aga anabata Okwu Ya, dịka anaekwusa “Ozi-ọma nka nke Ala-eze.”

Jisọs bụ̀ Onyeòzízí kachasị nke ụwa niile mataworo. Ọ bụ̀ Ya ka Moses onye náenye iwu buru amụma sị, “JEHOVA, bú Chineke gi, gēme ka onye-amuma nke di ka mu onwem, biliere gi site n’etiti gi, site n’umu-nne-gi; onye ahu ka unu gēge nti” (Deuteronomi 18:15). Mgbe Jisọs guzoro n’Ugwu Olive, otù Olu sitere n’Eluigwe daa, sị, “Onye a bù Ọkparam M’huru n’anya, Onye ihe-Ya dim ezi nma; nurunu okwu-Ya” (Matiu 17:5). Ndị òzízí ọzọ niile “sitere n’ala, eji kwa-ra aja kpu ha”; ma Onyenweanyị Jisọs sitere n’elu, eziokwu nke ọbụná Nikọdimọs matara, n’ihi na ọ sịrị, “Ayi matara na I bu onye-ozizi Nke siworo n’ebe Chineke nọ bia.” “Onye si n’elu bia ka ihe nile elu: onye si n’ala puta nāputa n’ala, si kwa n’ala nēkwu okwu: Onye si n’elu-igwe bia ka ihe nile elu” (Jọn 3:31). Ọ bụrụ na anyị náeleanya ime ka Eluigwe bụrụ ebe obibi anyị, anyị aghaghị ịbụ ndị náege ntị nkeọma n’òzízí niile nke nnukwu Onyeòzízí a.

Ozi ahụ nke Jisọs jiri bịa sitekwara n’elu bịa. “Okwu nke unu nānu abugh kwa nkem, kama ọ bu nke Nna Onye ziterem” (Jọn 14:24). O kwukwara okwu banyere Okwu a, sị “Okwu nke Mu onwem gwaworo unu, ha bu mọ, buru kwa ndu” (Jọn 6:63). Ọ dị ebube bụ́ ihe nzuzo nke ndụ ahụ nke ezoworo nime Okwu Chineke. “Elu-igwe na uwa,” ka Jisọs kwuru, “gāgabiga, ma okwu nile nkem agagh agabiga ma-ọli” (Matiu 24:35). Ọ bụ kwa banyere “okwu” ndia ka Pita Onyeozi dere sị, “Ebe amuworo unu ọzọ, esitegh na nkpuru apuru imebi, kama esitere na nke anāpugh imebi, site n’okwu Chineke, nke dị ndu, nke nādigide kwa, mu unu ọzọ” (I Pita 1:23).

Ya mere ọ dịghị ihe ịtaụtà nke ahụrụ n’ebe Ọghamkpụrụ ahụ dị, maọbụ n’ebe Mkpụrụ ahụ dị. Ha niile sitere n’Eluigwe bịa. Ebe nsogbu ahụ nke Jisọs na ekwuokwu ya n’ilu a bụ̀ n’ebe ala dị, nke “sitere n’ala, eji-kwa-ra ájá kpu ya.” Akụworị Mkpụrụ ahụ n’ikwesịntụkwasịobi, ọ ghaghị kwa ịdị ndụ n’ebe ọ bụla ọ chọtara ala dị mma. Jisọs gakwara n’iru n’ịkọwa ala nke akụworo Mkpụrụ ahụ.

**Ndị ọnụnụ Nke Akụ̀kụ̀ Ụzọ Ahụ**

Ụdị ala mbụ nke akọwara n’ebe a bụ̀ ala “akùkù-uzọ” nke ndị náagafe na ya meworo ka o sieike. Mkpụrụ ahụ dara na ya, ma anụufe bịara wee tụtụrie ha: “Mgbe onye ọ bula nuru okwu ala-eze elu-igwe, ma ọ ghọtagh ya, ajọ onye ahu abia punara ihe aghaworo n’obi-ya.” Apụrụ ịkọwa ndịa dịka **ndị náadịghị eji okwu ha nụrụ kpọrọ ihe**. Ha nụrụ Okwu ahụ ma mgbe ha pụrụ ha wee chefue ihe ha nụrụ. Ihe nke ụwa nke a dị ha mkpà karịa ihe nke Mmụọ Nsọ. **Ejighị ihe kpọrọ ihe** emewo ka ọtụtụ igwèmmadụ n’ụbọchị taa bụrụ ndị ekewapụrụ n’Alaeze Eluigwe.

**Ndị ọnụnụ Nke Ala Nkume Ahụ**

Ụdị ala nke abụọ bụ̀ ala “nkume.” Nke a bụ̀ ala ebe mkpụrụ ahụ pulitere, ma n’ihi na o nweghị ájá dị omimi, ịdị ọkụ nke anwụ wee kpọnwụa ihe nke púliteworo, ifufe wee bupụ kwa ya. Jisọs naakọwa kwa na “onye agha-kwa-ra n’ebe nkume ahụ, madụ a bụ onye nānu okwu ahụ, ngwa ngwa ọ were ọñụ jide ya; ma ọ nwegh nkpọrọgwu nime onwe-ya, kama ọ nānọ nwa oge; ma mgbe nkpagbu ma-ọbu nsogbu putara n’ihi okwu ahu, ngwa ngwa ọ ma n’ọnyà.” Enwere ike ịkọwa ụdị ndị dị otú a dịka **ndị náanụ, ma ha adịghị anọgidesiike.** Onye náadịghị anọgidesiike bụ onye nụrụ Okwu Chineke wee nabata ya nime obi ya, were ọñụ malite ịdịndụ nke onye nke Kraist. Ma ọ gụkọghị ihe ọ gaefu ya, ọ dịghị kwa njikere iguzogide nsogbu na mkpagbu niile nke náaghaghị izute onye ọ bụla nke náabata n’ibu agha nke ndị Kraist. Jisọs mere ka anyị mata ihe ndịa; Ọ naadọ ndị niile gaabụ ndị náesoụzọ Ya akanántị ka ha buru ụzọ gụkọọ ihe ọ gaefu ha (Luk 14:25-33). Ọtụtụ mmadụ n’ụbọchị taa bụ ndị náadịghị enweike isogide rue n’ọgwụgwụ n’ihi na ha agụkọghị ihe ọ gaefu ha.

**Ndị ọnụnụ Nke Ala Ogwu Ahụ**

Onyenweanyị gosịrị n'ilu a ụdị ụzọ ndị atọ ndị náagbataghị ihe anaagbata n'ọsọ. "Nkpuru ọzọ we da n'elu ogwu; ogwu ahu we tolite, kpagbue ha." "Ndi ọzọ bu kwa," O wee ná akọwa, "ndi anāgha n'etiti ogwu ahu; ndia bu ndi nuru okwu ahu, ma nchegbu nile nke oge a, na aghughọ nke àkù, na nbata nke agu ihe di iche iche ọzọ, nākpagbu okwu ahu, ọ we ghọ ihe nāmigh nkpuru" (Mak 4:18, 19). Apụkwara ịkọwa ndị nọ n'ọnọdụ a dịka ndịọnụ̀nụ̀ nwere nchègbu. Mata bụ onye nọrị n'ụdị ọnọdụ ahụ. Ọ kpọbatara Onyenweanyị n'ụlọ ya, ma o nwere nchègbu banyere ọtụtụ ijéozi, mgbe nwanne ya Meri nọdụrụ ala n'ụkwụ Jisọs wee nụrụ Okwu Ya. Mata malitere inwe uche mgbasasị, o wee sị "Onye-nwe-ayi, ọ̀ metugh Gi n'obi na nwa-nnem nwayi nārapum ka nání mu nēje ozi?" Jisọs zara sị "Mata, Mata, i nēchegbu onwe-gi n'ihi ọtutu ihe: ma otù ihe bu ihe di nkpà: n'ihi na Meri rọputara ezi òkè ahu, nke anāgagh-anapu ya" (Luk 10:38-42). Ọ bụrụ na onye náesoụzọ Onyenweanyị Jisọs Kraist gaekwe ka "nchegbu nke oge a" gbochie ya ka o wee nápụ ya "ezi òkè ahu," ọ bụ náání nzọụkwụ olenaole, "aghughọ nke àkù, na nbata nke agu ihe di iche iche ọzọ" ga "akpagbu okwu ahu." Ọ bụghị kwa mmadụ olenaole ndị bụwororị ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'oge mbụ n'iso Onyenwe ha bụ ndị gbasịrị ọsọ ha n'ụzọ dị otú a.

N'ebe a ka anyị hụrụ ụdị ụzọ mmadụ atọ ndị náagaghị achọta ụzọ ibinye n'Alaeze eluigwe n'óké ụbọchị ahụ mgbe agaafụ opi -- ọ bụghị n'ihi na ha amataghị ụzọ ahụ, kama n'ihi na mgbe ha nụrụ Okwu ahụ ha edebeghị ya nime obi ha. Ọ dịghị mkpụrụ ọ bụla nke toroetò. Ma akụ̀kụ̀ nke náagba mmadụ ume n'ilu a bụ na ọ dị akụ̀kụ̀ ebe mkpụrụ ahụ dara "n'ala di nma ha we nāmi nkpuru, otù ọgu ise, ọzọ ọgu atọ, ọzọ oru na iri." Ọ bụ kwa "nke di n'ala ọma ahu, ndịa bu ndi were ezi obi di nma jisie okwu ahu ike, mgbe ha nuru ya, ha were kwa ntachi-obi mia nkpuru" (Luk 8:15). Anyị nwere ike kpọọ ndị dị otú a **ezi ndị ọnụnụ.** Jisọs emewo ka anyị ghọta nkeọma nime ilu a na n'akụ̀kụ̀ ebe ọzọ dị icheiche nke Akwụkwọnsọ na ọ bụghị ndị niile malitere ịgbà ọsọ a nke ndị nke Kraist gaagbaru ya n'isi nkeọma wee gbata ihe anaagbata n'ọsọ. Ọ bụghị kwa ihe siriike nye anyị ịmata ụdị ụzọ mmadụ anọ ndịa nke anyị so nime ya.

**"Ọ kam mma iso nánị Jisọs jee**

**Were kwa nkume ka Jekob chee isi,**

**Dị Ndụ mgbe nile ị hụ Iru-Ya,**

**Kama ị l'azụ̀ n'ụzọm wee ghara ijézu."**

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Gịnị bụ nzube Jisọs n'ikuzi Eziokwu nke dị nime ilu dị icheiche?
2. Gịnị mere Ọ naagwa igwè mmadụ okwu n'ilu, ma Ọ naagwa ndị náesoụzọ Ya okwu n'ụzọ doro anya?
3. Gịnị mere onye chègharịworo echègharị ji enweike ịghọta Eziokwu nkeọma karịa onyemmehie?
4. Gịnị bụ mkpụrụ ahụ nke Jisọs kụrụ; ọ̀ bụ kwa n'ụzọ dị añaa ka O siri kụọ ya?
5. Ọ̀ bụ ụzọ ala ole ka ha dị, ọ̀ bụ kwa gịnị ka ha pụtara?
6. Gịnị mere Jisọs jiri gosi mkpà **ị nụrụ** Okwu Ya dị?
7. Kwue okwu ahụ dị mkpirisi nke Jisọs naekwu mgbe ọ bụla n'oge ijéozi Ya, iji gosi mkpà ọ dị na aghọtazuru ihe O kwuru.
8. N'ụzọ dị añaa ka okwu Ya si dị ka mkpụrụ?
9. Kwue otù ihe mere nke edere n'Akwụkwọnsọ náegosi ike nke dị n'Okwu Ya.
10. Gịnị gaeme mmadụ ahụ nke jụrụ okwu Ya, maọbụ nke náachọghị ọbụná okwu Ya?